# ENYO

## ENYO: A Multi-Disciplinary Journal of African Studies

Vol.5 No.1 2024

ISSN 2756-5874

# Enyo:

**Vol. 5. No.1 2024**

*Enyo : A Journal of African Studies*, is a multidisciplinary peer-reviewed, original researches that focuses on African issues relating to: Arts, Humanities, Philosophy, Medicine, Science, Technology, Geography, Education. This annual journal accepts well researched and original submissions from: languages, linguistics, history, religion, philosophy, creative and performative arts, mass communication, sociology, anthropology, education, sciences, political science, information technology, and any study that relates to Africa.

**Editor-in-Chief**
Prof. Thecla Ngozi Udemmadu

**Editors:**
Dr. Ifeyinwa Cordelia Isidienu
Rev. Fr. Dr. Patrick Ikenna Umezi
Dr. Florence Uju Ibeh

**Associate Editors:**
Dr. Ann Onyekelu — Department of Igbo, African and Communication Studies, Nnamdi Azikiwe University, Awka
Dr. Onyinye Amamgbo — Department of Igbo, African and Communication Studies, Nnamdi Azikiwe University, Awka
Dr. Gloria Nkiru Egwuonwu-Chimezie — Department of Linguistics and Igbo Imo State University, Owerri

Dr. Anthonia Ephraim-Chukwu — Department of Igbo, African and Communication Studies, Nnamdi Azikiwe University, Awka

**Consultants :**
**Prof. Benjamin Mmadike**
Department of Linguistics
Nnamdi Azikiwe University, Awka

**Prof. Nkechinyere Nwokoye**
Department of Igbo, African and Communication Studies
Nnamdi Azikiwe University, Awka

**Prof. Ikechukwu Okodo**
Department of Igbo, African and Communication Studies
Nnamdi Azikiwe University, Awka

**Prof. Cecilia Eme**
Department of Linguistics
Nnamdi Azikiwe University, Awka

**Prof. Tracie Utoh-Ezeajugh**
Department of Theatre and Film Studies
Nnamdi Azikiwe University, Awka

**Prof. Boniface Mbah**
Department of Linguistics, Igbo and Other Nigeria Languages
University of Nigeria, Nsukka

# NTỤLERỊTA EGWU NA-AMASỊ NDỊ OCHIEDIKE INYOM IGBO

Nchọcha sitere n'aka

**Ọkankụzi Frances Ngọzi Chukwukere**
**francegozichuke5@gmail.com**francegozichuke5@gmail. com
Ngalaba Sayensi Asụsụ na Igbo, Mahadum Imo Steeti, Owerri

**Ọkammụta Ngọzị Okechukwu Okoro**
**engyokeeokoro@gmail.com**engyokeeokoro@gmail. com
Ngalaba Sayensi Asụsụ na Igbo, Mahadum Imo Steeti, Owerri

**Ọkammụta Felista Chidi Akidi**
**felista.akidi@futo.ed.ng**felista. akidi@futo. ed. ng
Ngalaba Igbo, Daịrektọret Iheọmụmụ Ozuruọha, Mahadum Nkanụzụnke Gọmenti Etiti n'Owerri

## ỤMỊEDEMEDE

*Nchọcha anyị lebara anya n'egwu dị iche iche, ndị nke masịrị ụmụnwaanyị nke nọ n'agbata afọ iri asatọ na afọ iri asatọ na itolu (80–89) Anyị siteren'egwu Onyeka Onwenu (1986) weta aha anyị nyere ndị ruru agbata afọ ole a. Ebumnuche anyị dị abụọ: iji usoro ụtọasụsụ Igbo nakwa mkpụrụ asụsụ nke Ọnwụ (1961) wee depụta asụsụ egwu; nakwa ịtụlerịta ụdịrị egwu ha bụ. Ndị e jiri mee nchọcha bụ ndị iyom ise na Steeti Imo, ebeegwu anyị nwetara dị itolu. Anyị tụnyekwara alo gbasara usoro ịgụ aha, site n' agbata ọmụmụ wee ruo na nka. Site n'ịtụle ụdịrị egwu anyị nwetara, anyị kọwara ha n'ụzọ asaa ndị a: ofufe nro, ajamma, okendụ, ntọọchị, mgbashịrịkọ, ikpe, nakwa ọmụrụnwa. Obere nchọcha a, bụ iji mee ka ọtụtụ mmadụ tinye uchu n'ịnata omenala n'aka ndị okenye tụmadị ndị inyom, tupu omenala ndị a, esoro ndị maara ha, wee pụọ. N'otu aka ahụ, anyi na-atu alọ ka ndị niile ihe ọmụmụ Igbo na-anụọkụ n'obi na-etinye uchu n'odide asụsụ egwu Igbo n'ụzọ kwesịrị ekwesị, ma tibanye anya nke ọma, n'iheọmụmụ nkenụdị egwu omenala Igbo.*

## NDUBATA

Egwu, abụ, nakwa uri bụcha akparamaagwa mmegharị ahụ site n'ịsaghe ọnụ, ịkụ aka, ịzọụkwa n'ala, ikwe n'isi, nakwa ijiri akụkụ ahụ dị icheiche wee gospụta ndanusoro nke dabara n'omenala ọhammadụ rọrọ arọ. Site n'egwu, mmadụ na-enwe obi aṅuri, eru uju, aja onwe ya ma ọ bụ onye ọzọ ma ọ bụkwa obodo ya mma. Egwu na-ewekọta mmadụ na ibe ya ọnụ; egwu na-akasi obi, ma na-akpọlite mmụọ mgbe obi dara mba; egwu na-echekwaba omenala site n'agụgụ niile e ji egwu agụ, nakwa site n'asụsụ e jiri wee gụọya. Mgbe e jiri oluegwu, ịkụ aka, nakwa ịzọụkwụ n'ala wee mepụta egwu, anyị na-akpọ ya egwu ejingwa. Etu a, ka abụ niile dị n'akụkọ ifo siri wee dị n'ihi na e jighi ngwa egwu agụ abụ ifo. Mana, mgbe e jiri ekwe na ogene, udu na ọyọ, ọja na mgbịrị mgba wee kụọ egwu, anyị na-akpọ ya egwu ojingwa n'ihi na e jiri ngwa egwu nke a rụrụ arụ wee gụọ egwu ahụ.

N'aka nke ya, egwu omenala bụ ihe e jiri mara obodo ma ọ bụ agbụrụ, nke e ji asụsụ ha wee agụpụta. Ka ọ dị n'Igbo, ma e jiri ngwa egwu ọdịnala wee kụọ ya, ma e jiri ngwa egwu ọlọrọọhụrụ wee kụọ ya, ha niile bụcha egwu omenala Igbo ma bụrụnọọ na asụsụ Igbo bụ isi asụsụ e jiri wee gụọ egwu ahụ. N'ihi nke a, egwu bụ isi ije n'ihe gbasara asụsụ na omenala Igbo n'ihi na e ji egwu eme mmemme pụrụ

iche. A na-esite n'egwu akụzi ihe. Egwu bụkwa ụzọ pụrụ iche nke ụmụnna na ndị obodo si abịakọta ọnụ. N'ihi nke a, anyị ga-asị na mgbe a na-agba egwu, a na-agba orikọ.

Ndị okenye dị nnukwu mkpa n'ihe ọbụla gbasara omenala nakwa ọdịnala. Ha na-echetara obodo nke ọbụla obodo echetaghị. N'ihi ya ka e ji atụ n'ilu: "okenye akọkwala n'ala, iji gwa ụmụazị na udele abụghị anụ oriri". Anyị nwere aha dị icheiche nke anyị na-akpọ dị okenye, mana ọ na-abụkarị mkparị ma ọ bụ mgbe anyị chere na ha mere ihe e kwesịghị ekwesị. N'agbanyeghị nke a, ọtụtụ ezinụlọ nwekwara aha dị icheiche ha nyere okenye ha, site n'aha ọ zara mgbe ike ka dị ya. Ndị nwere chiọma na-aza aha echichi ha chiri. Mana, ọ bụghị onye ọbụla chiri echichi.

Na nchọcha a, Ochiedike bụ aha e nyere ụmụnwaanyị ma ọ bụ ndị inyom, ndị no n'agba afọ iri asatọ na afọ iri asatọ na itolu. Ihe anyị kpọrọ ndị okenye ụmụnwaanyị, ndị ruru afọ iri asatọ bụ Ochiedike. Anyị sitere n'egwu Onyeka Onwenu wee nye aha a: Onyeka Onwenu jiri nne ya gụọ egwu, ma na-etu ya "Ochie Dike". N'agbanyeghị na anyị amaghị ma nne Onwenu o ruru afọ iri asatọ wee zaba Ochie Dike nke nnwa ya nwaanyị na-akpọ ya n'egwu ahụ, anyị jiri aha otutu a, wee kọwaa nwaanyị ọbụla nke sitere n'afọ iri asatọ wee ruo iri asatọ na na itolu. Bekee na-akpo ma nwoke ma nwaanyị n'ime ha, Octogenarian.

1. **EBUMNUCHE NCHỌCHA**

   Anyị bụ n'obi ileba anya n'ime okwu ndị a, n'edemede a:

(i) Ijiri nsupe na ọtọgrafi Igbo wee depụta egwu na-amasị Ochiedike Ndịinyom Igbo;

(ii) Ịtụle egwu na-amasị Ochiedike Ụmụnwaanyị, site n'ileba anya n'ọdịdị nke ọ bụla n'ime ha.

2. **IHE KPỌLITERE MMỤỌ NAKWA URU NCHỌCHA**

Otu n'ime ihe kpọlitere mmụọ gbasara nchọcha a, bụ iji wee leruo anya nke ọma n'ihe na-amasị okenye n'ezinụlọ, tụmadị n'egwu na-amasị ndị okenye. Ọtụtụ ndị okenye nwekwara egwu nke ha, mana ụmụ ha echetaghị itinye olu ha n'ọbancheta, ka ụmụ ụmụ nụrụ n'ọdịnihu. Nchọcha a, nwere nchekwube na ezinụlọ ọbụla kwesịrị inwe ọbancheta gbasara okwu ndụmọdụ ndị okenye nyere ha, egwu ndị okenye gụrụ ma ọ bụ gbara, nakwa ihe dịgasị iche iche, e ji na-elebara okenye anya na ndụ, ma na-echeta okenye mgbe ha hapụrụ elu ụwa a. Otu n'ime ndi nchọcha a, chetara na mgbe nne ya hapụrụ, asụsụ Igbo ka e jiri dee edendụ ya, ma jiri otu ihu akwụkwọ wee depụta ilu iri asaa na asaa, site n'ihe karịrị ilu nde puku abụọ ọ tụrụ, nke o nyere m mgbe ọ dị ndụ. N'ihina ọ gbara afọ asaa na asaa tupu ọ hapụ ụwa, nnwa ya nwaanyị tinyere ilu iri asaa na asaa n'akwụkwọ oliliozu ya, ebe e dekwara edendụ ya. Ọ dị mma ka onye nne ma ọ bụ nna ya dị ndụ, jiri nwayọọ, tụtụkọta ihe ọ ga-egosi ụmụ na ụmụụmụ ya n'ọdịni ihu. N'otu aka ahụ, ohere nchọcha a, bụkwa/ ohere idepụtagasị ụfọdụ egwu Igbo site n'usoro ọtọgrafi nke onwu (1961), nakwa site na nsupe dị mma. Na nchọcha anyị, anyị chọpụtara na ụfọdụ egwu e dere ede, kwesịrị ka ha gbasoo iwu nsupe, ya bụrụgodi na egwu ndị a, bụ n'olumba Igbo dị icheiche ka e jiri gụọ ha.

3. **ETU E SIRI CHỌTA NDỊ NCHỌCHA**

Anyị chọpụtakwara na ọtụtụ n'ime ndị okenye ndị biburu n'obodo mepere emepe a, bizi n'ụlọụmụ ha n'ebe dị icheiche mana ọ bụghị n'ogige anyị nọ wee mee nchọcha. Anyị ji ekwentị akpọzi, mana ọ bụghị ụmụnwaanyị ndị a n'onwe ha, ka anyị kpọrọ; kama, ọ bụ ụmụ ha ka anyị kpọrọ. Ụfọdụ n'ime ha amaghị ụdịrị egwu na-amasị nne ha. Ụfọdụ gwara anyị na ha ga-akpọghachi anyị azụ mana ha emeghị

nke a. Mana, mmadụ ise kpọghachiri anyị azụ, wee gwa anyị egwu na-amasị nne ha nakwa nneochie ha. Ọ dịghị anyị ịrụwa ụka ma ọ bụ eziokwu n'ihi na anyị chere na nnwa ga-ama eziokwu gbasara nne na nneoche ya, karịa nke ndi nchọcha jụpụtara.

### 4. ỤFỌDỤ AHA NKATỌ MAKA OKENYE

Ọtụtụ mgbe, a na-agwa okenye okwu nkatọ na nkọrọmọnụ, tụmadị mgbe o mere ihe o kwesịghị ime. Mgbe ụfọdụ, nwere ike ịbụ naanị mkpọrọmaasị enweghị aha, ka a na-egosi okenye, tụmadị n'ụfọdụ obodo ebe, ndị ọha mmadụ, ọbụladị ụmụ ha na-ele okenye anya dị ka onye na-ewetara ụmụazị chi ọjọọ ma ọ bụ onye na-eri ụmụazi amụsu. Ụfọdụ aha ndị a, bụ aha ọjọọ a na-akpọ okenye:

- Okongwu imi anwụrụ
- Agadị ekwe nka
- Agadi na-agwọ ofe
- Okenye arụrụala
- Ọ dị ndụ eri amusu

Mana, kedukwanụ ihe anyị na-akpọ okenye mgbe o mere ọfụma? Ọ bụ eziokwu na ụfọdụ ndị okenye nwere aha ezinụlọ ha na-akpọ ha, ma ọ bụkwa aha echichi ha, o nweghị aha a na-akpọ ndị okenye, n'agbata iri fere iri, dịka ọ dị n'Asụsụ Bekee. Ọ dị nnukwu mkpa ilebanye anya n'okenye nakwa ihe gbasara ha n'ihi na ekpere ọtụtụ mmadụ bụ ka ha onwe ha bitee aka. Onye fee eze, eze eruo ya aka.

### 5. AHA ỌMỤMỤ SITE NA TAATA RUO N'OJIMMADỤ (AFỌ 0-39)

Isi nchọcha anyị ebe a, bụ ileba anya n'ụdịrị egwu na-amasị ụmụnwaanyị ndị rurula afọ iri asatọ ma ọ bụ karịa. Kaosiladị, anyị jikwa ohere a, eleba anya n'aha Igbo nwere ike ịkpọ mmadụ site n'ọmụmụ ya ruo na nka anyaìsì (anyaìsì ebe a, apụtaghị na okenye niile na-ekpu isi; mana Bekee kpọrọ ya "dim years" ma ọ bụ "twilight years"). Ka anyị tinye ọnụ n'okwu a:

i) Taata. Childhood: Site na mgbe a mụrụ ya ruo afọ iri na otu.
- Nwaigbe (*toddler*): 1-3
- Ọtaakara (preschooler): 3-5
- Nwanto (*middle childhood*): 6-11

ii) Nwaụdara. Adolescence:
- Nwaome (nwaome ụdara) (early adolescence) 12-14
- Nwaifuru (nwaifuru ụdara) (middle adolescence) 15-17
- Nwaọkpụ (nwaọkpụ ụdara) (adolescence) 18-19

iii) Ojimmadụ. Adulthood:
- Nwaojimmadụ (young adult) 20-39
- Nneojimmadụ; Nnaojimmadụ (middle-aged adult) 40-59
- Nneukwu; nnaukwu; okenye (*older adult*): 60+

Anyị chọpụtara na agbata kachasị too ogologo bụ agbata nwaojimmadụ (young adult), nakwa agbata nne/nnaojimmadụ, ndị nke nwechara afọ iri abụọ. Anyị tụlee site n'agbata nne ojimmadụ nakwa nna ojimmadụ (middle-aged adult), anyị chọpụtara na aha ha na-agbanwe n'agbata iri agbata iri. Nke a, na-enyere ndị ahụike aka ịrụ ọrụ ha nke ọma. Ọ dị mkpa ikwu ebe a, na ọtụtụ ndị nchọcha kewara agbata

afọ ọmụmụ ndị a, n'ụzọ dịgasị icheiche ndị ọzọ. Agbata afọ ọmụmụ, nke anyị jiri wee rụọ ọrụ ebe a, bụ nke Megan Elleen McDonough (2020) dere na nsonso a. N'obodo mepere emepe, ọ bụ site n'aha agbata, ka e si amata onye rurula ịkwụsị ụtụ isi, onye rugooro ịnarawa ụgwọ ezumiike ọrụ, nakwa onye ga-eketa oke n'ụgwọ ụfọdụ ịnshọrans. N'ihi nke a, afọ agbata ọmụmụ dị nnukwu mkpa. N'edemede a, anyị jikwa afọ agbata ọmụmụ okenye (60+) wee họrọ ndị anyị chọrọ na nta nchọcha anyị. Na nkọwa nke na-esote ozugbo, anyị nyere okenye aha dị icheiche, nke sitere n'agbata afọ iri agbata afọ iri.

iv) Okeduru: 60-69: *Sexagenarian*
v) Okeigbo: 70-79: *Septuagenarian*
vi) Ochiedike: 80-89: *Octogenarian*
vii) Okeagụ: 90-99: Nonagenarian
viii) Ọdụmuche: 100-109: Centenarian
ix) Ọdụmagụ: 100+: Super Centenarian

Edemede a, ji ohere a na-ekwu na ọ dị mma ka e nye nwoke ma ọ bụ nwaanyị ruru afọ ndị a, aha kwesịrị ekwesị. Ezinụlọ ya kwesịrị ijiri ohere ahụ wee meere ya obere mmemme, ọbụladị ịtụ obere mmamma, ma tuo ya aha dị ka afọ ya siri dị. Aha ahụ ka ọ ga-aza kwamgbe, ruokwa mgbe ọ kụkwara afọ iri ọzọ, ma zagharịa aha.

## 6. NDỊ E JIRI MEE NCHỌCHA

E jiri ụmụnwaanyị ise wee mee nchọcha a. Ha niile agbaala afọ iri asatọ mana ha erubeghị afọ iri itolu. N'ihi nke a, ha bụ Ochiedike, dịka nkọwa anyị n'elu ebe a siri gosị. Anọ n'ime ụmụnwaanyị ise ndị a, nyere anyị egwu abụọ n'otu n'otu, ebe otu nyere anyị naanị otu egwu. Na nchịkọta, anyị nwetara egwu itolu, nke anyị jiri wee mee ntọtasị anyị n'edemede a. N'ihi na anyị maara m ụmụ ha nke ọma, ụmụ ha gwara anyị afọ ole nne ha dị, nke bụ na ha agafeela afọ iri asatọ mana ha erubeghị afọ iri itolu. Ụmụ ha ndị bi n'Owerri ebe m bi, jiri ekwentị wee kpọọ nne ha ebe ha nọgasị n'obodo ndị ọzọ, ma chọpụta ụdịrị egwu na-amasị ụmụnwaanyị ndị a, n'agbanyeghị obere nsogbu anyị nwere maka nke a. Iji maa atụ, ụmụnwaanyị abụọ adịghịzi ndụ, mana nnwa otu n'ime ha gụọrọ anyị otu egwu ebe nnwa nnwa ya gụọrọ egwu nke abụọ. A bịa na nwaanyị nke ọzọ adịghịzị ndụ, nnwa ya nwoke gụọrọ m naanị otu egwu na-amasị nne ya mgbe ọ dị ndụ. N'ichekwaba aha Ochiedike ndị a, anyị nyere ha nọmba, site na I ruo na V. Anyị chịkọtara usoro anyị siri mee nchọcha anyị ọnụ ebe a:

| | OCHIEDIKE | OBODO YA | EGWU MMASỊ YA | EGWU OLE | NCHỊKỌTA |
|---|---|---|---|---|---|
| 1. | Ochiedike I | Mbaise (Ezinihite Mbaise) | Agbakwutere m gị Chineke | 1 | |
| | | | Mosọuito | 1 | 2 |
| 2. | Ochiedike II | Mbaise (Abọ Mbaise) | Mekwee onye dị mma enyị | 1 | |
| | | | Ehee, amụkwaa nnwa | 1 | 2 |
| 3. | Ochiedike III | Urualla (Ideato) | Eze nwaanyị Virgin Maria (Confraternity of the Virgin Mary) | 1 | 1 |
| 4. | Ochiedike IV | Ehime Mbanọ | Chewenụ mgbe m ga-anwụ (Sharman Melody) | 1 | |
| | | | Yawee onye nwe anyị (Abụ Ọma Group of the Catholic Church) | 1 | 2 |
| 5. | Ochiedike V | Ihioma (Orlu) | Ijele erubego (*Theresa* Onuorah | 1 | |

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| | | | Ugbana (Oliver de Coọue) | 1 | 2 |
| | ỌNỤỌGỤGỤ EGWU | | | | 9 |

## 7. NSOGBU E ZUTERE N'INWETA AKANCHỌCHA (DATA)

Anyị hụrụ na inweta ndị okenye gbara afọ iri asatọ na ụma, maka nchọcha a, tara nnukwu akpụ. Ebe ọ bụ na anyị anọghị n'ime obodo, ebe anyị nwere ike ịhụ ụfọdụ n'ime ha ma ọ bụ zute ha n'ụlọ ha, nchọcha chọrọ ime ka anyị daa mba. Mana, nchọpụta anyị mere gbasara ụkọ ndị okenye ụmụnwaanyị n'obodo mepere emepe bụkwa nnukwu ihe mmepe anya n'onwe ya. Ebee ka okenye ruru afọ iri asatọ na itolu nọkwanụ, ebe ọ bụ na e kwuru na ụmụnwaanyị na-aka nka nke ukwu?

Anyị abaghị n'imeime obodo, kama anyị tụkwasịrị ogigie nchọcha anyị n'ime obodo mepere emepe bụ Owerri. Anyị sikwara n'ụmụụmụ abụọ ndị ha na nneochie ha biburu, wee nweta akanchọcha. N'ebe ndị ahụ, okenye abụọ ndị ahụ alaala mmụọ, mana ụmụụmụ ha chetara nkeọma, ụdịrị egwu na-amasị nneochie ya, bụkwa egwu nneochie na-agụ kwamgbe. Ọ dịkwa mkpa ịkọwa na ihe anyị lebara anya bụ ụdịrị egwu dịbu adị, ndị nke na-amasị ndị inyom ndị a; ọ bụghị egwu ha rọrọ n'onwe ha.

E lee anya, a ga-achọpụta na ndị anyị jiri mee nchọcha a, nke anyị kpọrọ Ochiedike adịzighị ọtụtụ. Ọrụ anyị bụ ichekwa ole fọdụrụnụ, ma chịkọta okwuọnụ ha nakwa egwu masịrị ha, maka mmụta na obiọma n'oge ugbua nakwa n'ọdịnihu.

## 8. ỌRỤ ỤMỤNWAANYỊ IGBO N'ICHEKWA EGWU OMENALA IGBO

Ụmụnwaanyị Igbo bụnnọọ ọbanchara dị ndụ, nke na-echekwa omenala Igbo. Site n'agbụrụ fere n'agbụrụ, ụmụnwaanyị Igbo na-eji egwu dị icheiche akụzi, echeta, ma na-enyefe omenala. Ebe ọ bụla nwaanyị nọ, egwu dị ya n'ọnụ. Ọ bụ egwu ịgụgụ nnwa ka ọ bụ egwu ọmụrụnwa? Ọ bụ egwu ọrụ dịgasị iche iche, dị ka ịsụ nkwụ, ịsụ ụtara ọha, ịkpa ekete, ka ọ bụ egwu nzukọ? Ụmụnwaanyị maara ejiri otu mkpụrụokwu, mụbaa ya ka ọ bụrụ egwu, ma ọ bụ jiri ihe mmadụ mere, wee jaa ya mma ma ọ bụ mee ya akaje. Site n'egwu ịgbankwụ ruokwa n'egwu oliliozu; site n'egwu ndụmọdụ ruo n'egwu ọkpụ, dịka egwu ilu na akpaalaokwu nke ụmụaka ga-echeta ọsịịsọ, ụmụnwaanyị Igbo kpụ egwu n'ọnụ mgbe dum.

N'ihi na ọtụtụ ụmụnwaanyị okenye Igbo bụkarị ndị nọ n'ụlọ ọkpụ nke ha, ha na-enwekarị ohere ịtụnye ọnụ n'ọzụzụ ụmụaka, ma site etu a, nyefee omenala ndị a. Nke ọzọ, ụmụnwaanyị bụ ndị ji ìgwè, ọtụtụ, nakwa ịdịnootu wee kpọrọ ihe. Ha anaghị aga otu onye otu onye, kama, ha na-adị ọtụtụ wee kpebie ihe ha chọrọ ime n'ime obodo. N'ihi nke a, ịgbakọta ọnụ wee gụọ egwu ma gbaa egwu abụghịrị ha ihe ọhụrụ. Ndịinyom na-esite na nwata gụwa ma gbawa egwu, wee gafeta n'agbọghọ, ruo nne nwaanyị, ma ruokwa n'agadi. Ọtụtụ n'ime ha na-ebu okpukperechi ụka n'isi, ma na-agazucha ihe niile gbasara ụka, site na block rosary ndị katọliik wee fere n'ụka ndị nne n'ụbọchị satọdee mbido ọnwa ọ bụla, tinyekwara otu dị icheiche n'ụlọụka. N'ihi ihe ndị a, egwu dị ha n'ọnụ kwamgbe, ọbụladị mgbe ha ruru afọ iri asatọ ma ọ bụ karịa. Ka ọ dị ugbua, ọtụtụ n'ime ndị ruru afọ iri asatọ bụ ndị a mụrụ n'ihe dịka site n'afọ 1936 wee ruo afọ 1949. Ọ bụ eziokwu na ọtụtụ ụmụnwaanyị amachaghị afọ a mụrụ ha kpọmkwem, mana site n'agụgụ ha kwuru na ndị mụrụ ha gụrụ, ha jiri etu ahụ, wee mata ndị ebiri ha, tụmadị ndị gara ụka ma nweekwa asambodo Mmirichukwu. Ọ dịkwa mkpa ikwu ụfọdụ ihe iribaama mere n'Alaigbo site n'afọ 1936 ruo 1949. Nke a, na-enye aka icheta agụgụala gbasara ihe iribaama mere n'ala Igbo n'oge gboo.

- https://en.wikipedia.orgN'afo 1944 ha e hiwere NCNC (National Council of Nigeria and the Cameroons, nke Herbert Macaulay na Nnamdị Azikiwe bụ ndị nọ n'isi ya (https://en. wikipedia. org).
- Nafọ 1940 ka ụmụnwaanyị ahịa Ọnịcha gosipụtara iwe ha gbasara ụtụisi nke ọchịchị mbaọcha jiri wee adọghachị ụmụnwaanyị azụ. Nke a, yitewere ọgụ ụmụnwaanyị n'Aba (Amarachi Attamah: https;//www. facebook. com).
- https://www.facebook.comN'afọ 1949 ka ndị ọrụ icheku ọkụ mere nnupu isi, nke mere ka ndị ọchịchị mbaọcha wakpogide ha, ma jiri egbe, gwepịa ọtụtụ n'ime ha. Ihe a kpọrọ nke a bụ Ngwepịa n'Enugwu (Amarachi Attamah: https://www. facebook. com)
- N'afọ 1937 ka Nnamdị Azikiwe hiwere akwụkwọ mgbasaozi nke ọ kpọrọ West African Pilot, nke jiri ohere a, wee na-ebuso ọchịchị mbaọcha agha maka ọchịchị nchịgbu ha.

N'oge nka ha, ụmụnwaanyị na-agụ egwu nwere asụsụ, ọ bụghị egwu bụ naanị nkwa ma ọ bụ egwu e jiri naanị ngwaegwu wee kụọ. Egwu nwere asụsụ bụ egwu nwere nghọta nke na-enye aka ihiwe omenala ọkpụtọrọkpụ. N'agbanyeghị na ọchịchị mbaọcha nakwa ndị otu kraịst batara Alaigbo, egwu omenala Igbo nọtọrị, site n'asụsụ e jiri wee gụọ egwu ndị ahụ.

## 9. NCHỌCHA NDỊ ODEE MERELA

Site n'egwu ọmụrụnwa ruo n'egwu ịgụgụnwa, ụmụnwaanyị bụ agbụrụ a maara n'ichekwaba omenala. Dịka Okeke (2010) siri kwuo, ụmụnwaanyị dị nnukwu mkpa n'ịchekwa Asụsụ Igbo. N'otu aka ahụ, Onyeji (2002) kwadokwara na ụmụnwaanyị bụ ndị isi n'ịrọ egwu ọhụrụ dị icheiche, dịka n'ịgbankwụ nakwa n'oliliozu. Nke a, na-akwalite omenala na asụsụ, ma na-enyekwa aka ime ka okenye bitee aka, ma chụmie owu na-eribido ha n'oge nka, mgbe ụmụ ha pụchara. Ọzọkwa, a maara ụmụnwaanyị dịka ndị na-eme mbem akwamozu ọfụma, site n'ịkpọ aha onye nwụrụ anwụ, agbụrụ ya nakwa etu o siri wee bie ndụ n'elu ụwa. Nke a, bụ isiọrụ Sam Uzochukwu (1985), onye tụlere ọrụ Lọọlọ Chinyereudo, bụ nwaanyị ude ya sụrụ nke ukwu n'ihe gbasara abụ na mbem akwamozu.

N'ileba anya n'egwu alaukwu Afịrịka, a maara Nketia (1974) na Ekwueme (2006) gbasara nke a. Dịka Nketịa (2006) dere, egwu alaukwu Africa abụghị naani nkwa, kama o sitere n'ụmị ndụ ha, ma na-arụ ọrụ dị iche iche, nke a maara nke ọma; nke na-enyekwa amamiihe nke ọhammadụ na-aghọta. N'odide nke ya, Ekwueme (2006) kwuru na Egwu alaukwu Africa bụ ezigbo nka ọhammadụ nwe; n'ihi nke a, ihe ọmụmụ sitere na mmekọrịta nakwa omenala, ndị nke bụ ebe o siri wee pulite.

A makwaara ọtụtụ odee dị ka ndị tinyere anya n'agụgụala gbasara nkenụụdị egwu odịnala Igbo. Odee ndị a, gụnyere Nzewi (1991), Okafor (2005), nakwa Uzoigwe (2013). Nzewi (1991) hụtara egwu alaukwu Afịrịka dị ka ọkpụrụkpụ mmụta, ọ bụghị naanị ụda na mkpọtụ. Kama, ọ bụ ogbe nghọta nke webatara amamiihe na aro niile obodo jiri wee biri. N'aka nke ya, Okafor (2005) kọwara na egwu na-arụ ọrụ dịka ụgbọ nke na-ebufeta mmekọrịta, mmụta, nchekwa akparamaagwa, nakwa nchekwa omenala, n'obodo Naịjirịa. N'ịganihu, Uzoigwe (2013) rụtụrụ aka n'egwu Okendu dị ka ụdịrị egwu malitere, site na mpakọta egwu Ọkpụ Igbo nakwa nke mba ndị ọzọ (tumadị mbaọcha). N'agbanyeghị nke a, Okendụ jisiri ejirimara ya ike, dị ka ọdụahịa nke na-eleba anya n'ọnọdụ obibi ndụ Ndịigbo.

Mgbe a na-atụle ọrụ ndịiyom na ndị okenye n'egwu Igbo, Okeke (2010) nakwa Udeagbala (2015) tinyekwara echiche ha. N'ikwu gbasara egwu na omenala, Okeke (2010) kwuru na Omenala na ọdịnala ka bụkwa usoro e si enyefe akụzi, echekwa, ma na-eme ezi nkọwa gbasara egwu Igbo, site n'agbụrụ

fere n'agbụrụ, ebe Udeagbala (2015) kọwara ụmụnwaanyị Igbo dị ka ndị jiri egwu mere ngwaọrụ maka mmụta, nkụzi ndụọma, nakwa nchekwa omenala.

**10.** NDEPỤTA EGWU NA-AMASỊ OCHEDIKE INYOM, N'USORO ỤTỌASỤSỤ IGBO

**1. OCHIEDIKE I:**

**1.1. Egwu 1:**

Agbakwutere m gị Chineke
Agbakwutere m gị onye nwe m
O nweghị chi ọzọ mụ nwere
Oo Kristi, echefukwala m oo!

**1.2. Egwu 2:**

Mosọuito first day warning
Mosọuito second day warning
Mosọuito kwee
Ka Livy boy hierenụ gị ụra!

**2. OCHIEDIKE II:**

**2.1. Egwu 1**

Mekwee onye dị mma enyị
Ee
Mekwee onye dị mma enyi
Ee
Mekwee onye dị mma
Ị ga-eme ọyị
Mekwee onye dị mma
Maka ọlụlụ

**2.2. Egwu 2**

Ehee amụkwa m nnwa
Ehee amụkwa nnwa
Ehee
Ọ gịrị ị wụ ma nnwa m
A ma ha ereele m eree
Amụkwa m nnwa

Ehee amụkwa m nnwa
Ehee amụkwa m nnwa
Ehee
Ọ gịrị ị wụ ma nnwa m
A ma ha ereele m eree
Amụkwa m nnwa

### 3. OCHIEDIKE III:

#### 3.1. Egwu 1

(*Confraternity of the Virgin Mary*)
Eze nwaanyị Virgin Maria
Enyere m gị obi m n'aka gị

### 4. OCHIEDIKE IV:

#### 4.1. Egwu 1

Chemanụ mgbe m ga-anwụ (Sharma Melody)
Chemanụ mgbe m ga-anwụnụ oo
Ị ga-anọ nga i chega mụ ọnwụ egbuo gị
Nwa onye obi jọrọ njọ
Ị ga-anọ nga Ị chega m ọnwụ egbuo gị
Nwa onye obi tara mmiri

Ọ kwa i chega mgbe m ga-anwụnụ oo (Chema mụ oo)
I chega mgbe ị ga-anụ akụkọ ọjọọ
Ị ga-anọ nga i chega m ọnwụ egbuo gị
Gị onye obi tara mmiri
Ị ga-anọ nga i chega m ọnwụ egbuo gị
Nwa onye obi tara mmiri
Ị ga-anọ nga i chega m ọnwụ egbuo gị
Gị onye obi ya jọrọ njọ oo

#### 4.2. Ochiedike IV:

**Egwu 2**

Soro m tobe Chukwu (Abụ Ọma Katọlịkị)
Kedụ ihe m ga-enye gị Chineke
Ọmamma ya zuru ahụ
Kedụ ihe m ga-emere Chineke
Odogwu n'agha

Ọ bụ onye ga-akọwasị
Mmesọ ọma Chineke
Naanị abụ ọma ka anyị jiri bịa
N'iru gị Chineke
Abụ otito ka anyị bịa
Ezi Chi

Soro mụ na-eto ya, na-eto ya, ọ dị mma

Soro mụ na-eto ya, na-eto ya
Ndị nke Chineke bịa
Aga m akọ
Ihe Chukwu meere m oo
Ịhụnanya Chineke karịsịa
Mgbe niile m kpọrọ gị oo
Ị na-aza m eleghị anya n'azụ
N'ime mkpa mụ ka m kpọkuru gị
Ọ kwa ị zara m ọọ
Chineke, onye dịka gị
Ezeigwe ee
Oo, abụ otito ka m ga-eji wee kelee gị
Chukwu nna m oo
Oo, abụ otito ka m ga-eji jaa gị mma aaa
Oo, Chineke, ị dị mma
Ebube gị dị ukwu

## 5. OCHIEDIKE V:

### 5.1. Egwu 1: Theresa Onuora

Ijele erubego ọ bụ mụ na onye ga-agba egwu ee?
Ọ bụdụ mụ na onye ga-agba egwu oo
Mụ na onye ga-agba egwu mụ
Ijele mụ eru ee ee
Theresa Ọnụọra nọ mụ na-ekwu oo
Onye ọma m ji eje mbali
Na ijele mụ na-ekwu oo
Aha eji mara mba nọ mụ na-agụ nwanne oo
Mụ na etinu egwu nu,
Mụ na onye ga-agba egwu oo\onye ga-agba ee

### 5.2. Egwu 2: Oliver de Coọue

Ụgbana ka e tere unyi n'arụ
Ụgbana chazịe ọcha nke ọ chafọdụụrụ
Ụgbana ka e tere unyi n'arụ
Ụgbana chazie ọcha nke ọ chafọdụụrụ
Ụgbana ka e tere unyi n'arụ ee
Ụgbana ka e tere unyi n'arụ
Ụgbana chazie ọcha nke ọ chafọdụụrụ
Anụ soro enwe
Anụ soro enwe, ọ majie ụkwụ
Oke soro ngwere maa mmiri
Ọ kọchasịa ngwere, ọ ga-akọzinụ oke?

Onye nọrọ ebe ọ nọ
Ebe ọ na-anọghị ana-agụ ya
O nwanne m, elu ụwa enwe mmeta
Onye iwe na-ewe ewezina oo

**11.** NTỤLERỊTA ỤDỊRỊ EGWU NA-AMASỊ OCHIEDIKE

Site n'egwu ndị anyị chịkọtara, anyị kere ha ngalaba asaa ndị a: ofufe nro, ajamma, okendụ, ntọọchị, mgbashịrịlọ, ikpe, nakwa ọmụrụnwa.

**1. EGWU OFUFE NRO**

N'ebe a, egwu ofufe nro bụ egwu ụka nke e ji akwanyere Chukwu ma ọ bụ ihe karịrị mmadụ ugwu na nsọpụrụ. Ọ bụrụ n'ụzọ ọdịnala, egwu ofufe nro na-akwanyere arụsị ma ọ bụ agbara ugwu. N'abụ itolu anyị lebara anya n'ime ha, anyị hụrụ egwu ofufe nro atọ, nke ndịụka.

- "Agbakwutere m gị Chineke". Egwu a bụ egwu arịrịọ nakwa egwu ịkpọkụ Chukwu mgbe nnukwu ihe ọdachi ribidoro ma ọ bụ chọrọ iribido mmadụ. O teela egwu a, jiri bụrụ egwu ụka, nke na ọtụtụ ndị mmadụ maara ya nke ukwu, mana o nweghị onye chetara onye rọrọ ya.
- "Eze nwaanyị Virgin Maria". Nke a bụkwa egwu e ji enye Vejin Meri, nne Jesu otito. Ndị na-agụ ya bụ ndị Confraternity of the Virgin Mary, n'ime Nzụkọ Katọlịik.
- Soro m tobe Chukwu. Nke a bụ abụ ofufe nro, bụrụkwa abụ ajamma, nke e ji enye Chineke otito. Ndị gụrụ egwu a bụ ndị Abụọma nke nọkwa n'ime nzukọ Katọliik
- Na ngalaba a, egwu ajamma niile e ji eto Chineke, ma ọ bụ mmụọ a naghị ahụ anya, bụcha egwu ofufe nro.

**2. EGWU AJAMMA**

Egwu ọbụla, nke ọgụegwu ji eto onwe ya bụ ajamma onwe. Mgbe ọgụegwu toro onye ọzọ, nke a bụ ajamma onye. Mgbe o toro obodo ma ọ bụ ebe dị iche iche, ihe o mere bụ ajamma ebe. Mgbe ọgụegwu toro ihe adịghị n'ime ajamma atọ ndị a, ihe o mere bụ ajamma ihe. Anyị tụlee egwu ajamma dị n'aka nchọcha anyị, anyị ga-ahụ ajamma ndị a:

- Ijele erubego (Theresa Onuora). Egwu gosipụtara ajamma onwe, ebe ọgụegwu bụ Theresa Ọnụọra na-etu onwe ya aha ndị a:
  Theresa Ọnụọra, na ọ mụ na-ekwu oo
  Onye ọma m m ji eje mbalị
  Na ijele mụ na-ekwu oo

**3. EGWU OKENDỤ**

Mgbe ọ bụla a na-agụ agụgụala gbasara egwu ọdịnala Igbo, a na-akọwakarị na egwu ọdịnala sitere n'abụ ọnụ nakwa egwu ejingwa wee bido. N'ihi nke a, ngwaegwu na-esote abụ ọnụ mgbe a na-atụle etu egwu Igbo siri wee dị. Ụdịrị ngwaegwu e ji akụ egwu ọdịnala Igbo bụ ekwe, ogene, udu, ịchaka, ọja, nakwa ngwa egwu ndị ọzọ e jiri wee mara egwu ekpiri. Mana, egwu ọdịnala Igbo sitere n'abụ ọnụ, fere n'egwu ekpiri, wee fetazie n'egwu okendụ. Egwu okendụ bụ egwu ọbụla nke e tinyere ngwaegwu jita (guitar) nke sitere na mbaọcha wee rute Igbo. Jita mere ka egwu tọwanye ụtọ n'ọgụgụ nakwa n'ọgbụgba. N'egwu itolu anyị jiri mee nchọcha anyị, egwu pụtara ihe dị ka egwu okendụ bụ Ụgbana

(Oliver de Coọue). Ọ bụ egwu okendụ, nke ọgụegwu jiri ọtụtụ ilu Igbo wee chọọ mma, ma site n'ụzọ nke ya, nye ndụmọdụ gbasara obibindụ. Ụfọdụ ilu bụ ndị a:

- Ụgbana ka e tere unyi n'arụ, ụgbana achazie ọcha nke ọ chafọdụụrụ.

(Nke a pụtara na onye a na-akpagbu na-ewelite isi karịa ndị na-akpagbu ya).

- Anụ soro soro enwe, ọ majie ụkwụ

(Onye ejije na-adaba n'ọnya)

- Oke soro ngwere maa mmiri, ọ kọchaanụ ngwere, ọ ga-akọzi oke?

(Onye ejije na-adaba n'ọnya)

## 4. EGWU NTỌỌCHỊ

Dị ka aha ya siri wee dị, egwu ntọọchị bụ egwu na-akpa ọchị, nke sitere n'etu e siri wee gụọ ya. Iji maa atụ, egwu nke a kpọrọ mosọiuito bụ egwu onye ara gụrụ. Mana ọtụtụ mgbe, anwụnta kpụdewe Ochiedike nso, ya echete egwu onye ara, ma gụwa ya, nke mere ka ụmụ ya niile mụta ya, ma jiri egwu ahụ na-eme ihe ụka ọchị. Ọ bụ eziokwu na egwu a, dị n'asụsụ Bekee, mana o nwekwara ebe ọ sụrụ Igbo, nke mere ka onye na-ege ntị, chịa ọchị. Dị ka e siri kọọ, aha onye ara ahụ bụ Livy Boy. Mgbe ọ bụla anwụnta na-ata ya, ya ebido egwu ahụ, site n'ịgbajiri ogu n'Asụsụ Bekee, wee nye anwụnta, nke mbụ, nke abụọ, ma rịọwa anwụnta arịrịọ n'asụsụ Igbo:

"Kwe ka Livy Boy hiere nụ gị ụra"

## 5. EGWU MGBASHỊRỊKỌ

Egwu mgbashịrịkọ bụ egwu ma nwoke ma nwaanyị na-agbakọ ọnụ, tụmadị ndị ntorobịa. A na-agụkarị ya n'egwu ọnwa. Isiokwu egwu mgbashịrịkọ na-abụkarị ọyị nwoke na nwaanyị, ime enyị, njikere maka alụmdi na nwunye, egwu ịhụnaanya, nakwa egwu nsorikọta. N'egwu Ochiedike III, nke ọ kpọrọ "Mekwee onye dị mma enyi", anyị hụtara ndụmọdụ a na-enye okorobịa ma ọ bụ agbọghọbịa, iji gbochie mmakwaara. Egwu a, na-agwa ntorobịa ka o mee onye dị mma enyi, ka ọ ga-abụ okwu dagharịa kwubezie maka ọlụlụ, ka ọ bụrụ onye nke ọ hụrụ n'anya nakwa onye bụ ezigbo mmadụ. Mgbe Ochiedike na-agụ ụdịrị egwu a, ikekwe, ọ na-akpọghachi ya azụ n'oge ọ bụ agbọghọ.

## 6. EGWU ÌKPÈ

Egwu ìkpè bụ egwu e ji akọ mmadụ ọnụ, n'akpọghị onye ahụ aha. Egwu akaje dịtụ iche n'ihi na egwu akaje nwere ike ịkpọ mmadụ aha. Mana, egwu ikpe na-eji asụsụ ilu, okwu ntụfe, mkparị nakwa ịkpọ iyi, wee ziruo ozi ebe ọ chọrọ iziga ya. Egwu ikpe anaghị akpọ aha, kama, ọ na-eji Asụsụ Igbo wee kọọ mmadụ ọnụ. Egwu ikpe na-abụkarị onye chere na e mejọrọ ya, ma ọ bụ onye chọrọ imewa mmadụ obi, na-agụ ya. Egwu Sharma Melody nke ọ kpọrọ "Chewenụ mgbe m ga-anwụ" bụ egwu masịrị Ochiedike IV. N'egwu ya, Sharman Melody na-akpọrị ndị ọ sị na ha na-atụ anya maka ọnwụ ya. Ọ kpọrọ ha "onye obi jọrọ njọ" nakwa "onye obi tara mmiri". O kwere ha nkwa na onye ahụ ga-eburịrị ụzọ wee nwụọ. Igbo na-atụ n'ilu sị "Onye o mere, amarala".

## 7. EGWU ỌMỤRỤNWA

Nke a bụ egwu a na-agụ n'oriri nnwa. Oriri nnwa bụ ohere ụmụnwaanyị ji anọkọ ọnụ dị ka ndị inyom na ndị nne, iji wee obi a]ụrị maka nnwa ọhụrụ onye otu ha mụrụ. Ụmụnwoke anaghị esonye n'oriri nnwa, kama ha nwere ike ịbata, pụọkwa. Ọtụtụ egwu oriri nnwa bụ egwu na-aja ndị nne mma, akasi ha obi, ma na-echetakwara ha ọrụ dị n'ihu ha nwere ebe ezinụlọ ha nọ. Naanị ụmụnwaanyị na-agụ egwu ọmụrụnwa, ma n'ọgbakọ, ma n'owu ehihie. Anyị nwetara egwu oriri nnwa n'Ochiedike II.2, nke ọ kpọrọ Ehee, amụkwaa nnwa.

*Ehee*
Amụkwa m nnwa
Ọ giri ị wụ ma nnwa m
*A ma ha ereele m eree*
Amụkwa m nnwa

Egwu a, na-ekwukwa na, a sị nnọọ na ọgụegwu amụtaghị nnwa, ọ gaara abụrụ onye e rere ere, dị ka ohu.

**NCHỊKỌTA NA MMECHI**

Egwu bụ otu n'ime omenala e jiri mara obodo. Ma ịkụ egwu ma ịgba egwu ma ọ bụ ịkụ nkwa, ha niile bụcha egwu. Nchọcha anyị lebara anya n'egwu dị icheiche ndị Ochiedike Igbo hụrụ n'anya, ma jiri egwu ndị a, anọrị oge, ma na-arụ ọrụ ha dị icheiche. Ebumnuche anyị dị abụọ: iji usoro ụtọasụsụ Igbo nakwa mkpụrụokwu nke Ọnwụ (1961) wee depụta asụsụ egwu; nakwa ịtụlerịta ụdịrị egwu ha bụ. Ndị e jiri mee nchọcha bụ ndịiyom ise, ndị nọ n'agbata atọ iri asatọ na iri asatọ na itolu na steeti Imo. Anyị lebakwara anya n'usoro ịgụ aha sitere n'agbata ọmụmụ ruo na nka. Anyị mechaara depụta asụsụ egwu itolu ndị anyị chọpụtara, ma tụlee ụdịrị egwu ha bụ, ndị nke gụnyere ofufe nro, ajamma, okendụ, ntọọchị, mgbashịrịkọ, ikpe, nakwa ọmụrụnwa. Obere nchọcha a, bụ iji mee ka ọtụtụ mmadụ tinye uchu n'ịnata omenala n'aka ndị okenye, tupu omenala ndị a, efuo. Nke ọzọ, itinye uchu n'odide asụsụ egwu Igbo dị ka o kwesịrị, bụ ọrụ dịara Ndịigbo; ọkachasị ndị ọkachamara nọ n'ime asụsụ na omenala Igbo. Nke atọ, ọ dị mkpa ileba anya nke ọma gbasara usoro e si atụle nkenụụdị egwu Igbo. Dị ka nchọcha anyị siri gosị, naanị site n'ịtụtụkọta ngwanchọcha dị icheiche nakwa ịtụlerịta ha kwamgbe, bụ etu onyenchọcha nwere ike isi wee kewaa ma kọwaa ha n'ụdịrị n'ụdịrị. Nke anọ, ileba anya n'egwu na-amasị ndị okenye inyom bụ inye okenye olu n'Igbo, n'oge ugbua ụfọdụ ndị ejighị okenye kpọrọzie ihe.

**EDENSIBỊA**

Attamah Amarachi. https;//www. facebook. com.

De Coọue, O. (1987). Ugbana. On Ugbana. Premier Music.

Ekwueme, L. E. N. (2006). Concepts of African musical theory. In Ethnomusicology, 50.3: 423–435.

McDonough, M. E. (2026). Lifespan Mental Health. Mentalhealth. com

www.youtube.comMelody, Sharman (2018), Chewenụ mgbe m ga-anwụ. www. youtube. com Egwu.

Nketia, J. H. K. (1974). The music of Africa. W. W. Norton & Company.

Nzewi, M. (1991). African music: Theoretical content and creative continuum. In Culture and Music Education Institute.

Nzewi, M. (2003). Acquiring knowledge of the musical arts in traditional society. In A. Herbst, M. Nzewi, & K. Agawu (Eds.), Musical arts in Africa: Theory, practice and education. Unisa Press. pp. 13–37.

Nzewi, M. (2007). A contemporary study of musical arts: Vol 1. Informed by African indigenous knowledge systems. Centre for Indigenous Instrumental African Music and Dance.

Okafor, R. C. (2005). *Music in Nigerian society.* New Generation Books.

Okeke, A. (2010). Oral tradition and the preservation of Igbo music. In African Music: Journal of the International Library of African Music 8.4: 45–62.

Okeke, C. (2002). Oral Tradition and the preservation of Igbo Music. In African Music: Journal of International Library of African Music 8.4: 45-62.

Onuorah, Theresa. (1990), Ijele Elubego. On *Ijele Elubego*. Tabso Records. Egwu.

Onwenu, Onyeka (1986), Ochiedike. In *Golden Songs Vol 1*. EMI Records. Egwu.

Onyeji, C. (2002). Music and social change in Igboland. In R. C. Okafor & L. E. N. Ekwueme (Eds.), Nigerian musicology: Past, present and future. Nigerian Musicological Society. pp. 78–95.

Udeagbala, C. (2015). Gender and music in Igbo society: The role of women. In Journal of Igbo Studies, 3(2), 112–130.

Uzochukwu, S. (1985; 1990) Mbem Akwamozu. Onitsha: University Publishing Co.

Uzoigwe, J. (2013). Igbo highlife: History, evolution and influence. Lagos: Malthouse Press.

https://en.wikipedia.orgWikipedia https://en. wikipedia. org.